# Ire Usoro Nkuzi Mgbakọaka Dị Na Mmeta Nke Ọma Ụmụakwụkwọ Sekọndịrị Seniọ N'ịgụpụta Asụsụ Igbo Na Mpaghara Lokal Gọọmentị Isi-Ụzọ, Steti Enugwu, Naịjirịa.

**Eze, Roseline Ifeoma**
*Department of Arts Education, University of Nigeria Nsukka*
*roseline.eze.ss12303@unn.edu.ng, 08064008703*
.
**Omeje, Monica N.**
*Department of Arts Education, University of Nigeria Nsukka*
*monica.omeje@unn.edu.ng; 08063583030*

Na

**Ugwuoke Priscilla Ebere**
*Department of Linguistics, Igbo and other Nigerian Languages,*
*University of Nigeria Nsukka*
*ebere.ugwuoke@unn.edu.ng; 08037786613*

**Ụmị**

Nchọcha a nyochara ire usoro nkuzi mgbakọaka dị na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ sekondịrị sịnịọ n'ịgụpụta asụsụ Igbo na mpaghara lokal gọọmenti dị n'Isi-ụzọ, steti Enugwu Naịjịrịa. Ndị nchọcha a gbasoro usoro ihe omume mmalite na nke mmecha n'usoro ihe omume nchọ n'usoro (quasi experimental research design) mee nchọcha a. Ajụjụ nchọcha abụọ na ụmụokwu nchọcha abụọ a nwalere n'akara ntụ 0.05 nke oma bụ nke eguzobere maka ya bụ nchọcha. Agụmagụ ọnụ n'asụsụ Igbo (AONAI) dị ajụjụ iri abụọ n'ọnụọgụ ka e ji mee ya bụ nchọcha nke nyere akara nwalee ntụkwasịobi ngwaa nchọcha , 0.78 . Ngwaa nchọcha a bụ nke ndị nchọcha ọrụ a wubere, ma nyefee n'aka ndị ọka mmuta atọ nọ na ngalaba nka mmụta na "Measurement and Evaluation". Mahadum Nsụka nyochara., nke ha kwetara na ọ dabara na nchọcha e ji eme. E ji ụmụ akwukwo siniọ (SS2) di iri abụọ dịkọrọ ọnụ mee nwalee ntụkwasịobi ngwaa nchọcha a, nke nyere 0.077 n'usoro mgbakọ Kuder-Richardson 21 formula.. Ngwaa nchọcha abụọ e ji mee nchọha a bụ usoro nkuzi njikọonu maka ndị otu ihe omume na usoro nkuzi ọdịnala maka ndị otu nkịtị. E ji ọnụọgụ ụmụakwụkwọ dị otu narị na iri isii mee nchọcha a n'ụlọakwụkwọ community secondary school Isioroto Ikem. E nyere otu abụọ ndị a ihe omume (AONAI) na mmalite nakwa na mmecha ihe omume. Na nchịkọta data, e ji miin na ndipu n'izugbe (Standard deviation) zaa ajụjụ nchọcha ,ebe e ji ANCOVA nwale ụmaokwu nchọcha. Mpụtara ihe a chọpụtara gosiri na akara miin mmeta nke ọma ụmụ akwukwọ e ji usoro nkuzi njikọọnụ kuziere ọgụgụ Igbo dị elu karịa ndị e ji usoro nkuzi nkịtị kuzie. Site na nchọputa nchọcha a ,a na-atụ arọ na ndị nkuzi asụsụ Igbo ga-agba mbọ iji usoro njikọnụ na-akuzi asụsụ Igbo nke ga-enye aka ime ka ụmụakwukwo nwee mmasị isonye na ihe omume a na-eme na klasị. Nke a ga-enye aka ịkwalite mmeta nke oma ụmụ akwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo.
***Igodo okwu:*** *Usoro nkuzi mgbakọaka, ụmụakwukwo, ọgụgụ Igbo .*

**Abstract**

The study examined effects of collaborative teaching method on senior secondary school students' performance in Igbo reading exercises in Isi-uzo local government area of Enugu State. The study adopted the pretest, posttest control group quasi experimental research design. Two research questions and two hypothesis tested at 0.05 level of significance were formulated to guide the study. Igbo reading comprehension oral test (ICOT) was used to generalize data for the study comprising of twenty questions for the study which gave a reliability index of 0.78. The instruments were developed by the researchers and validated by 3 experts in Arts education department and measurement and evaluation faculty of education, University of Nigeria, Nsukka. The instrument was trial tested using 20 SSII students and the internal consistency reliability estimate of 0.77 was obtained through the use of Kuder-Richardson 21 formula. The study was carried out in community secondary school Isioroto Ikem with one hundred and sixty SSII students randomly selected from four intact classes. The two instructional methods used are collaborative method of teaching for the experimental group and conventional method for the control group. The subjects in each group were tested with the ICOT before and after experiment. Mean and standard deviation were used to answer research questions that guided the study while analysis of covariance was used to test the null hypotheses. The findings reveal that the mean achievement scores of students who were taught Igbo reading using the collaborative method was statistically higher than that of students taught using traditional method, in favour of the experimental group. It was therefore recommended amongst others that Igbo teachers should make use of collaborative teaching in teaching Igbo reading in order to arouse students' interest and get them involved. This will help them perform well and promote their academic achievement in Igbo language.
***Keywords:*** *Collaborative method, students,Igbo reading,*

## Mkpolite

N'obodo Naịjirịa, ụlọakwụkwọ niile dị n'ala Igbo bido na Ọtakara, Praimarị ruo na Mahadum na-eme asụsụ Igbo. Nke a bụ maka na ọ bụ ya bụ asụsụ e ji enwe mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'ala Igbo. Ebumnuche ikuzi asụsụ Igbo n' ụlọakwụkwọ ndị a dịka sọbjekịtị na Naịjirịa gbasoro usoro gọọmentị wepụtara maka usoro agụmakwụkwọ. Gọọmentị obodo Naịjirịa n'ịkwado mkpa na uru dị n'ọmụmụ asụsụ wepụtara amụma ndị Federal Republic of Nigeria na National Policy on Education (2013) nke wubere iwu na asụsụ a ga-eji na-akuziri ụmụakwụkwọ ihe n'ogo ọtakara n'afọ atọ izizi n'ogo primarị bụ asụsụ epum (mother tongue) ma ọ bụ asụsụ mpaghara onye ahụ bi. N'aka nke ọzọ, a ga-eji asụsụ mpaghara kuziere ya ihe nakwa otu asụsụ Naịjirịa ọzọ abụghị nke mpaghara dịka asụsụ nke abụọ ($L_2$). Otu asụsụ ahụ ga-esiriri n'ime asụsụ atọ ahụ gọọmentị (FRN) wepụtara dịka asụsụ kacha pụta ihe n'agbụrụ Naịjirịa nke metụtara asụsụ Awụsa, Igbo na Yoruba. Ọgụgụ Igbo na-enye ụmụaka nsogbu nke mere na ọdịda ụmụaka n'ule Igbo abụrụrla ihe nrịbama kwa afọ. Nke a pụtara ihe na repọtụ onye isi Senior Secondary School Certificate Examination (SSCE) Igbo (2018) gbasara emetaghị nke ọma n'ule mpụga Siniọ Sekọndịrị, (SSCE).

N'oge ugbu a, usoro nkuzi na ire ọ dị na mmụta bụ isi sekpụ ntị n'ebe ndị nkuzi na ọmụụ nọ. Ọmụmụ na-apụta ihe site na nka, ozi ọhụụ a nụtara, na nghọta, nke e ji n'aka (Slavinu, 2010). Nkwalite ọmụmụ na mmasị ụmụakwụkwọ ọkachasi n'ịgụpụta Igbo bụ site n'ịgbaso usoro nkuzi dị ire nke nwere ike inye aka ịkpalite mmụọ nakwa ime ka ijigide mmasi ụmụaka mgbe onye nkuzi na-akuzi ihe.

Ọtụtụ ndị nchọcha akọwaala usoro nkuzi n'ire ọ dị n'ịkwalite mmụta asụsụ. Echiche Siddique (2013), Argyris (1992) kwadoro na usoro nkuzi metụtara nka na mbọ onye nkuzi na-agbaso n'ikuzi na ọmụmụ ihe, N'ụzọ dị etu a, ọ bụ naanị onye nkuzi mara ihe ekwe na-akụ na ngalaba ọmụmụ asụsụ nwere ike ijigide ụmụakwụkwọ n'ọnọdụ ọmụmụ ihe nke ga-enweta mmụta n'ebe ọmụụ nọ (Arba, 2003). Onye nkuzi nwere ike ime nke a, site n'iji usoro nkuzi mgbakọaka wee kuziere ụmụakwụkwọ ya ihe.

Usoro nkuzi mgbakọaka bụ usoro nkuzi nke ụmụakwụkwọ na-ejikọ ọnụ ichepụta ajụjụ dị mkpa, ma ọ bụ mepụta ihe nwere nghọta. N'otu dị obere n'ọnụọgụ,(ihe dịka iri,iri maọbụ karia n'ọnụọgụ).Nke a na-enyere ụmụakwụkwọ aka n'irụsi ọrụ ike n'inweta ihe dị mkpa n'isiokwu ma na-abawanye na mmụta na klasị.

Bayraktar (2011), Gillies (2006) kwadoro na usoro nkuzi mgbakọaka pụtara mgbe ndị nkuzi na-arụkọ ọrụ ọnụ igbaziri, ikuzi na ikwadobe ụmụakwụkwọ n'ihe ọmụmụ ,Gune,( 2007) kọwara na nkuzi mgbakọaka na-apụtakarị ihe ma dị ire n'aka ndị ọkachamara nọ n'otu ngalaba ọmụmụ metụtara sọbjekịtị n'usoro agụmakwụkwọ, dịka asụsụ Igbo na Bekee nakwa ngalaba ihe ọmụmụ sọbjekịtị ndị ọzọ.

Ọtụtụ oge mpaghara onye bi, na-emetụta ikike ịgụpụta mkpụrụokwu Igbo nke ọma. ọtụtụ oge, ọ na-esitekarị na ezinụlọ, otu ọgbọ wdgz. Ndị nchọcha dịka Chineke (2013), Eze (2016), Umo (2011), Omeje (2008) na-ekwusi ike na ogige ụlọakwụkwọ dị bụ nke enyochara dị oke mkpa na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'agụmakwụkwọ.

N'ime ka usoro nkuzi mgbakọnụ dị ire, onye nkuzi ga-eche echiche n'ịtụpụta aro n'usoro imepụta nke a. A ga-ewepụta oge maka imepụta ihe a ga-amụ, usoro a ga-agbaso n'ịmụ ya nakwa ụmụakwụkwọ bụ ndị ga-esonye na ya bụ ihe ọmụmụ. N'ụlọakwụkwọ ụfọdụ, ndị nhazi ụlọakwụkwọ na-ewepụta usoro ịgbaso nkuzi mgbakọnụ na mbido otu afọ ihe ọmụmụ iji nyere ndị nkuzi aka ikesa oge a ga-etinye usoro a n'ọrụ nkuzi. N'ụzọ dị otu a, ọtụtụ ndị nkuzi mgbakọnụ na-ewepụta oge ịchịkọta ma kuzie klasị ha tupu oge ịgbasa akwụkwọ. N'ịkwado nke a, ọ dị mkpa ịhọpụta ụdị ndị nkuzi a ga-ejikọ nwere ike ịkwalite ọmụmụ ihe n'ebe ọ dị ire. Ndị nkuzi mgbakọnụ na-ewepụtakarị usoro dị mma, ikike na mmụta ha tinye n'ọrụ nkuzi ma webata usoro ọhụụ nke na-akwalite mmụta ụmụakwụkwọ n'ebe ọ dị ukwu na klasị. Slavinu (2010) kwenyere na nke a na-enyekwa aka ịkwalite ụmụakwụkwọ n'ebe ọmụmụ nọ .

N'ịga n'ihu ịkọwa usoro mgbakọnụ Slavin (2011) kọwapụtara ụdị usoro mgbakọnụ dị iche iche nke metụtara ndị a:

- Iduzi, Inyocha, Inyeaka (Lead, Observe, Assist): Otu onye nkuzi na-ewepụta isiokwu ọhụụ ebe onye nkuzi nke abụọ ga-eleba ha anya inyere ndị aghọtaghị ihe a na-eme aka.
- Ikuzi na Ikuzigharị (Teach and Reteach): Otu onye nkuzi na-ewepụta ihe omume ọhụụ na usoro ihe omume ebe onye nkuzi nke abụọ ga-ekwugharị ihe omume nke gara aga na nkenke nke ga-enyere ha aka icheta ihe a ga-akuzi.
- Ikuzikọta Ọnụ Otu Oge (Simultaneous Teaching): A na-ekewa klasị ụzọ abụọ dị obere, ebe ndị nkuzi abụọ ndị a ga-akuzi ihe n'otu oge.
- Iguzobe Ebe Ọmụmụ Gasi (Instructional Stations): Ụmụakwụkwọ na-agagharị n'ebe dị iche iche eguzobere inweta nkuzi ọhụụ ma na-esonye n'ihe niile a na-eme na klasị nke onye nkuzi na-elebara anya.

- Ikuzigarị Ihe (Supplementray Teaching): Ebe otu onye nkuzi na-akuzi ọtụtụ mmadụ, onye nkuzi nke abụọ eduru ọnụọgụ dị ntakịrị gaa n'akụkụ n'akụzikwa nke ya n'isiokwu ọzọ dị iche iche nke maka nkwadebe ihe a na-eme na klasị.
- Ibugharị Nkuzikọrịta (Co-Teaching Rotation): Ndị nkuzi otu ọbụla na-atụpụta aro ọhụụ mgbe ha na-agagharị n'ime onwe ha n'otu ka nwere na klasị,ma na-akuziri ụmụakwụkwọ n'oge ọmụmụ ihe.
- N'ịga n'ihu ịkọwa mkpa usoro Njikọọnụ bara, Jolife (2007) na-akọwa na usoro nkuzi njikọọnụ na-egbo mkpa ndị a n'ọnọdụ ọmụmụ ihe na klasị.
- Usoro Nkuzi Njikọọnụ bụ usoro ọmụmụ ihe dị egwu.
- Ndị nkuzi na-enwe ohere inyocha na iwepụta ndịiche usoro nkuzi ihe na klasị ọsọọsọ ma ha na-amụ nka nkuzi dị iche iche n'ime onwe ha, maka ịkwalite amamihe ha dị ka ndị nkuzi.
- Ọ na-akwalite nkwado na mmụta maka ịhazi na ikuzi ihe, inyocha mmetadebe ụmụakwụkwọ, itulekọrịta amamihe ndị nkuzi ọnụ nakwa inyere ụmụakwụkwọ aka ebe ha na-eri mperi.
- Usoro nkuzi mgbakọaka na-enye ụmụakwụkwọ ohere ịghọta na ijikọ isiokwu, iji mmụta ha nwetara mepụta ihe bara uru.
- Ọ bụ usoro nkuzi a mara ama dị ire ma dị ezi mma maka na ọ na-enyere ndị nkuzi aka ikuziri ụmụakwụkwọ ihe n'uju site n'igbaso usoro na-akpalite amamihe ọmụụ, mgbe ha na-akwado mmụta mmadụ n'ụzọ dịgasị iche iche.

Ebumnuche ikuzi ihe bụ inweta ezi akara maakị maka na ya bụ isi sekpu ntị n'ọnọdụ ihe ọmụmụ ọbụla. Iji nweta nke a, ndị nkuzi na-agbaso ọtụtụ usoro nkuzi dị iche iche nke metụtara usoro nkuzi nkọwa mkpakọrịta na ngosipụta. N'ime nkuzi ndị a niile, a na-agbasokarị usoro nkuzi nkọwa (Slavinu, 2010). Na ngalaba ọmụmụ asụsụ, usoro nkuzi a adịghị ụba. Ya mere na nchọcha a dị mkpa ịnyere ma imeghe ndị nkuzi asụsụ Igbo anya ịbawanye n'itinye usoro nkuzi a n'ọrụ nke ga-enye aka ịkwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọgụgụ asụsụ Igbo.

Ewezuga olile anya ndị a, ebumnuche ịgụpụta ederede n'asụsụ Igbo n'ogo secondịrị abụghị ihe e nwetara etu a tụrụ anya. Mbah na Mbah (2007) na-ekwusi ike na ụmụakwụkwọ sekọndịrị anaghị emeta nke ọma n'asụsụ Igbo. Eze na Umo (2017) kwadoro na asụtaghị Igbo nke ọma nke na-ebute agụtaghị ya n'akwụkwọ bụ nsogbu pụtara ihe n'ebe ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-eme asụsụ Igbo dị.

Ọdịda ụmụakwụkwọ n'oge ule Igbo senịọ sekọndịrị abụrụla ihe nrịbama kwa afọ nke pụtara ihe n'okwu ndị isi ule Igbo "Senior secondary Certificate Examination" (SSCE) na "National Examination Council" (NECO). I ji kwado nkọwa ndị a, onye isi ule SSCE Igbo (2016) kọwara na ụmụakwụkwọ emetaghị nke ọma n'ule asụsụ Igbo n'afọ ahụ. Mperi ndị a niile gbadoro ụkwụ n'enweghị mmụta zuru oke gbasara ịgụpụta Igbo nke ọma. Ī̄gụpụta ihe pụtara usoro ịkpọpụta mkpụrụokwu dị n'ederede. (Azim, (2012), na Eze,( 2017) kwadoro na ọtụtụ ndị nkuzi asụsụ Iigbo anaghị agbado anya n'usoro mkpọkọ okwu ụdaume maka na ha agbasoghị usoro nkuzi dabara adaba. Mkpa ịkwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ịgụpụta asụsụ Igbo tinyere nsogbu dị na ya kpaliri ndị nchọcha inyocha ire usoro mgbakọaka dị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị Senịọ n'ịgụpụta asụsụ Igbo na mpaghara local gọọmentị Isi-ụzọ. Nchọcha a ga-agbado ụkwụ n'ịchọpụta ire usoro nkuzi mgbakọaka dị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọgụgụ asụsụ Igbo.

Usoro ọgụgụ mgbakọaka (UOM) na-akụziri ụmụaka ịgbasoro usoro ọgụgụ mgbe ha na-agụkọ ihe ọgụgụ ọnụ. Ebumnuche usoro ọgụgụ mgbakọaka bụ ịkwalite ọgụgụ na mmụta nke na-ebeleta nhịahụ dị n'ihe ọgụgụ Igbo. N'okwu Klinger na Valghn (1996) usoro nkuzi a akwalite ịgụpụta ihe n'ebe ụmụakwụkwọ dị. Johnson (2001) kwadoro na usoro a na-enye ụmụaka ohere ichemi echiche gbasara ihe ha gụrụ. Site n'usoro nkuzi a, ụmụaka na-enyochata ihe dị mkpa na nkeji agụmagụ nke na-abụkarị na nkebi (paragraph). Nke a ga-enye aka ịkwalite nghọta na icheta ihe ha gụrụ. A ga-agwa ha chee echiche gbasara ihe ha gụchara, ma detuo ihe niile pụtara ihe dị mkpa dịka ndị a kpọrọ ahụ dị mkpa, ebe, na ihe ọzọ dị n'ahịrịokwu ha gụrụ. Mgbe ahụ ka onye nkuzi ga-ejikọ ha ọnụ ma kewa ha n'otu ha dị iche iche ka ha depụta ihe gbasara ahịrịokwu ahụ. Mgbe ụmụakwụkwọ mụtara ịgụpụta ihe nke ọma site na mgbazi ihe niile onye nkuzi na-egosipụta, ha ga-akwụrụ chim, mụta ihe niile ha kwesịrị ime na otu ha site na iji usoro UOM agụkọrịta ihe ọgụgụ. Ọrụ ụmụaka dị ezigbo mkpa n'ebe ọmụmụ ihe n'usoro UOM dị, maka na ọmụmụ mgbakọaka na-arụkarị ọrụ mgbe etinyere onye ọbụla na otu ihe ọmụmụ nke ya. Ọrụ onye ọbụla ga na-atụgharị atugharị oge niile ka ụmụakwụkwọ na-amụta ọtụtụ mkpọkọ dị iche iche na klasi. Nke a ga-enye aka ime ka onye isi otu ruo onye ọbụla. Otu onye nwere ike ịrụ karịa otu ọrụ dịka ịbụ onye isi, inye ha ọnụọgụ, ịma ọkwa, ịgba ume, onye nkọwa, ọgụ ego. Slavin (2013) kọwara na usoro UOM amaka maka ikuziri ụmụakwụkwọ ọgụgụ ihe n'izulite ha na mkpọkọ okwu tara akpụ, mgbakọaka n'ịgụkọrịta ihe ọgụgụ ọnụ. Slavin (2011) na-akọwa na nkuzi njikọọnụ na-akpalite mmụọ ụmụaka n'ịghọta edemede ha na-agụpụta. Ọ bụ nke a ka ndị nchọcha ji wee na-eche na ịgbaso usoro njikọọnụ kuzi ọgụgụ Igbo ga-akwalite mmụta ụmụakwụkwọ n'ebe ọgụgụ Igbo dị.

Mpaghara bụ ihe ọzọ nchọcha a ga-eleba anya na ya dịka o siri gbasata mmetụta usoro ọmụmụ asụsụ Igbo. Dyson (2002) kọwara na Ogbe onye nọrọ too na emetụta olu mkpọkọ asụsụ ya, ebe Pandey (2008) na Mangal (2012) na-akọwa na o nweghị ka Ogbe si emetụta olu ngụpụta asụsụ Igbo. N'ịga n'ihu, Ohiri (2008) kwadoro na ụmụakwụkwọ bi n'obodo mepere emepe na-erikarị mperi n'ịgụpụta mkpụrụokwu Igbo karịa ndị bi n'ime obodo. N'ihi enweghị nkwekọrịta a, ka nchọcha a jiri nwee mmasị n'ileba anya na ire usoro nkuzi mgbakọaka dị n'ọmụmụ mkpọkọ okwu Igbo.

**Uru Nchqcha**

Nchqcha sitere na amxma qrx a ga-enyere nd[ a aka; nd[ nkxzi,nd[ nne na nna, nd[ odee akwxkwq qgxgx Igbo, nd[ mmebe kqr[kolxm, nd[ ngalaba edukeshqnx, nd[ isi xlq akwxkwq sekqnd[r[, nchqcha qd[nihu, nd[ qch[chi qkachas[ xmx akwxkwq na-amx asxsx Igbo n'xlq akwxkwq sekqnd[r[ sin[q d[ n'okpuru qch[ch[ zonu edukeshqnx Isi ụzọ. Nchqcha a ga-abx ihe nye ngalaba niile metxtara qmxmx asxsx Igbo site n'igosipxta xzq kacha mma [kwalite qmxmx qgxgx asxsx Igbo nke bx usoro nkxzi dabara nke qma ga-akpali mmxq na mmas[ xmx akwxkwq nke ga-enye aka [kwali mmeta nke qma ha n'ule asxsx Igbo.

Nchqpxta sitere n'qrx a ga-enyere nd[ nkxzi asxsx Igbo aka [malite iji usoro kwes[r[ ekwes[ n'ikxzi qgxgx n'asxsx Igbo. Nke a ga-enye aka [kpalite mmxq xmx akwxkwq n'qmxmx sxsx Igbo mgbe ha nọ n'otu ha d[ iche iche na-agụpụta ihe qgụgx ha ji n'aka na klas[. Nke a bx maka na mmxta na-aka ad[ ire mgbe a na-emekq ihe qnx, ebe onye q bxla na-agba mbq [gụta

ihe a tụrụ anya nye qrx e ji n'aka site n'usoro nkxzi mgbakqaka. . Qzq kwa, nchqpxta sitere n'qrx a nwere ike imeghe anya nd[ isi ngalaba agxm akwxkwq n'[guzobe qgbakq ihe qmxmx “Workshop” ebe a ga-akqwara nd[ nkxzi maka usoro nkxzi mgbakqaka nke ga-ekpughere ha usoro [kxziri xmx akwxkwqịgụta ihe nke ọma, qkachas[ n'ikxz asxsx Igbo. Nke a ga-enyekwaz[ aka ime ka ha bido imeta nke qma n'asxsx Igbo n'ebe q d[ ukwu, ma d[ nkwadebe n'[meta nke qma n'ule ukwu WAEC na NECO.

## Nsogbu Nchọcha

N'agbanyeghị ọtụtụ ọrụ na uru na dị n'usoro nkuzi Mgbakọaka n' ụlọakwụkwọ dị na Naịjirịa, o nweghị nchọcha pụtara ihe emerela gbasara nke a. Itinye ya n'ọrụ ka dị ọhụụ n' ụlọakwụkwọ dị na Naịjirịa ọkachasị na ngalaba asụsụ Igbo. Usoro nkuzi ọdịnala ka ndị nkuzi asụsụ Igbo na-agbasokarị. Ọzọ bụ na omume na akparamagwa ndị nkuzi asụsụ Igbo na klasị na-ebuda mmeta nke ọma ụfọdụ ụmụakwụkwọ na klasị asụsụ Igbo. Mbumnuche nkuzi ọbụla bụ ịgbanwe na ịtụgharị omume na mmụta ọmụụ n'isiokwu e ji n'aka. Itinye usoro nkuzi Mgbakọaka dị mkpa ma ọ bụ usoro nwere ike ime ka ịgụpụta asụsụ Igbo dị ụtọ. Usoro nkuzi ọdịnala na-aga elu elu, site n'aka naanị onye nkuzi.. Ebe a enweghị ohere ịkọwami isiokwu nke ọma na ịjụ ajụjụ. Maka nke a, ọtụtụ ụmụakwụkwọ enweghị mmasị ịgụ ihe n'asụsụ Igbo, maka adịghị ike onye nkuzi iwebata usoro nkuzi dịka nkuzi Mgbakọaka nke ga-enye aka n'ịgụpụta ihe n'etiti ụmụakwụkwọ na klasị. N'agbanyeghị nke a, ọgụgụ asụsụ Igbo ka so n'otu ngalaba na sọbjekịtị asụsụ Igbo, ebe ndị ọkachamara anaghị elebakarị anya n'iji usoro nkuzi mgbakọaka arụ ọrụ maka na ha ka ji usoro nkuzi ọdịnala akuzi asụsụ Igbo. Ọ bụ maka nlaghachi azụ ndị a, mere na nchọcha a, lebara anya ịchọpụta ma usoro nkuzi njikọọnụ nwere ike ịkwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ịgụ asụsụ Igbo.

## Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ nchọcha ndị a bụ nke ndị nchọcha ji mee mgbakwasị ụkwụ:

- O nwere mmetụta usoro nkuzi mgbakọaka dị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ịgụ ihe ọgụgụ n'asụsụ Igbo na ndị e ji usoro nkuzi ọdịnala kuziere?
- O nwere mmetụta mpaghara dị na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ a kuziri ịgụ asụsụ Igbo n'usoro nkuzi mgbakọaka na ndị e ji usoro nkuzi ọdịnala kuzie?

## Ụmaokwu Nchọcha

$Ho_1$: O nweghị ezigbo ndịmiche dị na miin mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ agbasoro usoro nkuzi mgbakọaka kuzie na ndị e ji nkuzi ọdịnala kuzie.
$Ho_2$: E nweghị ezigbo ndịmiche dị na mmetụta mpaghara na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ a kuziri ịgụ asụsụ Igbo n'usoro nkuzi na ndị e ji usoro ọdịnala kuziere.

**Usoro Nchọcha**

Ihe omume mmalite na nke mmecha nchọ n'usoro bụ usoro e ji mee ihe omume usoro nkuzi mgbakọaka nakwa usoro nkuzi ọdịnala ka e ji kuzie otu abụọ e ji mee ihe omume. Nke a bụ nchọcha ihe omume kpọmkwem maka na o nwere mmetụta na ihe ndị e ji mee nchọcha (Campbell, 1963).

Klasị abụọ nọkọrọ ọnụ ka e ji mee nchọcha nke metụtara ndị otu ihe omume na ndị otu ntuziaka n'usoro nkuzi mgbakọaka. Mgbe e ji usoro nkuzi ọdịnala kuzie ndị otu ntụziaka, enyekwara ha ihe omume mmecha iji gbubileta akụkọ, a kuziri otu ọbụla ugboro abụọ. Ebe a nọ mee nchọcha bụ n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị seniọ dị na gọọmentị zonu Isi-ụzọ. Mmasị iji ebe ahụ mee nchọcha bụ na ha na-enwe nhịahụ n'ịgụpụta Igbo Izugbe nke ọma. Ọzọ bụ na mmetụta mpaghara na-abụ nnukwu nsogbu na mkpọkọ mkpụrụasụsụ n'ịgụpụta asụsụ Igbo ederede n'akwụkwọ. Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ SS 2 na-agụ akwụkwọ n' ụlọakwụkwọ koleji gọọmentị nwee na mpaghara local gọọmentị Isi-ụzọ bụ ndị na-eme asụsụ Igbo (Post Primary School Management Board, Obolo 2017). Ha dị puku anọ, iri atọ na-asatọ (3, 038) na ya bụ local gọọmentị. E ji ndị SS 2 mee ya bụ nchọcha maka na ha anọghị na klasị ule. Ọzọ, nchọcha a ga-enye aka n'iwebata usoro dị ezi mma n'ịgụpụta asụsụ Igbo. Ụmụakwụkwọ dị otu narị na iri asatọ (180) si na klasị abụọ dịkọrọ ọnụ ka e ji mee nchọcha.

Ụlọakwụkwọ atọ ka e ji tumbọm tumbọm họpụta n'ime ụlọakwụkwọ dị 28 dị na mpaghara local gọọmentị Isi-ụzọ bụ ndị e ji mee ihe omume mmalite na mmecha. E ji ọnụọgụ ụmụakwụkwọ dị iri itoolu na asatọ (98) mee ihe omume OUM ebe e ji ọnụọgụ ụmụakwụkwọ dị iri asatọ na abụọ (82) mee ndị ntụziaaka. Nnwale agụmagụ n'asụsụ Igbo (NANAI) ka e ji nweta data. Ndị nchọcha wepụtara ihe ọgụgụ aghọtaaza si n'akwụkwọ ụtọasụsụ Igbo maka sekọndịrị seniọ (Eze na Umo, 2017). Ihe ọgụgụ nke mbụ ka e ji mee nnwale mmalite, ebe nke abụọ na atọ ka e ji mee ihe omume maka ndị otu e ji usoro nkuzi ọdịnala kuzie.

Ngwaa nchọcha e ji mee nchọcha a bụ nke ndị nkuzi abụọ gụtara ọnụ ha n'asụsụ Igbo na ngalaba edukeshọnụ nka nakwa measurement na Evaluation nyochara ma kweta na ọ dabara nke ọma na nchọcha e ji ya eme. Ndị ọkammụta ahụ bụ Dr C. Ugwuanyị, Dr.U Eze na Dr. D.ugwu. E mere nnwale ntụkwasịobi ngwa nchọcha a izizi n'ụlọakwụkwọ ụmụnwaanyị "Urban Girls' Secondary School, Nsukka" esonyeghị n'ebe nchọcha, nke nyere ntụkwasiobi 0.78 n'usoro Kuder-Richardson's 21 formula.

Ndị nchọcha zụrụ ndị nkuzi asụsụ Igbo abụọ otu izu ụka tupu ebido ihe omume. E nyere otu abụọ ndị a ihe omume, mmalite, ka e mechara nke a, ndị nnyemaaka nchọcha malitere kuziere ha ihe n'usoro lesin plan ndị nchọcha kwadoro ganye izu ụka atọ. Na ngwụcha izu ụka atọ, enyekwara ha ihe omume mmecha dị iche na nke mmalite iji beleta ihe mgbagwojuanya ndị nchọcha ga-adapụta n'etiti ụmụakwụkwọ e ji mee nchọcha ndị a. Nke a bụ iwepụ egwu n'ahụ ụmụakwụkwọ ka ha gnara ịma na eji ha mee nchọcha.

E ji miin na ndịpụnizugbe zaa ajụjụ nchọcha, ebe e ji ANCOVA nnwale ụmaokwu nchọcha n'akara ntụ 0.05 nke ọma. Nke a bụ maka na miin na ndịpụnizugbe bụ akara mgbakọ nwere ntụkwasiobi n'akara ọnụọgụ, ebe ANCOVA na-enye aka ibeleta ndịiche ndejọ izizi nwere ike ịdapụta ebe ndị e ji mee nchọcha abụghị otu.

**Tebulu Rịzọọlt**

Ajụjụ nchọcha nke mbụ: Kedụ ihe bụ miin mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ ndị e ji usoro nkuzi mgbakọaka kuziere na ndị e ji usoro nkuzi ọdịnala kuziri?

| Otu | | Ihe Omume Tupu | | | | Ihe Omume Mmecha |
|---|---|---|---|---|---|---|
| | N | Miin | Ndịpunizugbe | Miin | Ndịpunizugbe | Miin |
| Ndị otu ihe omume | 98 | 16.16 | 5.84 | 33.28 | 16.42 | 36.15 |
| Ndị otu ntuziaka | 82 | 14.24 | 3.84 | 36.43 | 22.63 | 27.20 |

Rịzọlt tebulu na-akọwa na ndị otu ihe omume nwere ihe akara omume mmecha miin mmeta nke ọma 33.28 na 16.42 maka ihe omume mmecha, ebe ndị ntụziaka nwere 36.43 na 22.63 maka ihe omume mmecha. Ndịiche miin 36.15 na 27.20 maka otu abụọ ndị a na-egosi na ụmụakwụkwọ ndị e ji usoro nkuzi mgbakọaka metara nke ọma karịa ndị otu ha a gbasoro usoro nkuzi ọdịnala kuziere.

Ajụjụ Nchọcha Nke Abụọ: Olee mmetụta mpaghara dị na miin mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ a kuziri ịgụ asụsụ Igbo n'usoro nkuzi mgbakọaka na ndị e ji usoro nkuzi ọdịnala kuzie?

Tebulu nke Abụọ: Nchịkọta akara miin nnwale mmecha mmetụta mpaghara ụmụakwụkwọ a kuziri ịgụpụta asụsụ Igbo.

| | Usoro Nkuzi Ihe Omume | | Usoro Nkuzi ọdịnala | | Nchịkọta | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| Ụlọakwụkwọ | Miin | Ndịpunizugbe | Miin | Ndịpunizugbe | Miin | Ndịpụnizugbe |
| Obodo Mmepe | 67.54 | 9.18 | 48.19 | 12.76 | 56.51 | 11.38 |
| Ime Obodo | 74.15 | 8.17 | 52.12 | 7.21 | 68.05 | 7.66 |
| Nchịkọta | 141.69 | 17.35 | 100.31 | 19.97 | 124.56 | 19.04 |

Tebulu 2 na-egosi na nchịkọta akara maakị ihe omume mmecha ụmụakwụkwọ a kuziri ụtọasụsụ Igbo n'usoro nkuzi mgbakọaka (UNM) pụtara 144.69 na ndịnizugbe 17.35. A ga-ahụ na mpaghara dị ire maka na o gosiri na ụmụakwụkwọ nọ n'ime obodo mwere akara miin (x) ihe omume mmecha 68.05 dị elu karịa nke ndị nọ n'obodo mepere emepe nwere nchịkọta akara miin 56.51. Nke a gosiri na ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ime obodo nwere akara miin (x) dị elu n'usoro ihe omume nkuzi mgbakọaka nakwa usoro nkuzi ọdịnala karịa ụmụakwụkwọ ndị nọ n'obodo mepere emepe.

**Nkọwa nchọpụta**

Nchọpụta gosiri na usoro nkuzi mgbakọaka dị ire ma dị ezi mma nkwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ịgụpụta ihe n'asụsụ Igbo. Nke a pụtara ihe na maakị miin dị elu, ndị otu mgbakọaka e ji mee ihe omume mwere karịa ndị otu ha, e ji usoro nkuzi ọdịnala kuzie. Nke a gosiri na ịgbaso usoro nkuzi mgbakọaka kuzie ịgụpụta asụsụ Igbo dị ire n'ịkwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ mgbe a tulere ya na usoro nke ọdịnala.

Nchọpụta a dabara na nchọcha Eze (2016), Umo (2011) bụ ndị kwenyere na usoro imekọrịta na-enye ụmụakwụkwọ ohere ịghọta na ijikọ isiokwu iji mmụta ha nwetara mepụta ibe bara uru.

Nchọpụta nchọcha a kwadokwara nke Omeje (2010), kọwara na ụmụakwụkwọ na-amụtakarị ihe site na ijikọ ọnụ ma chepụta ihe nwere nghọta. Bayraktar (2011) chọpụtara na njikọọnụ n'ịgụpụta ihe dị ire n'ịkwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ. Guine (2007) na Jolife (2007) chọpụtara na ụmụakwụkwọ amaghị akwụkwọ e tinyere na klasị e ji usoro mgbakọaka kuziere mere nke ọma karịa ndị ọzọ. Nchọpụta a gosiri na mgbakọaka gụọ asụsụ Igbo na-akwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ karịa ndị e ji usoro nkuzi ọdịnala kuziere.

Nchọpụta a gosikwara na miin mmeta nke ọma mpaghara n'ime obodo gbagoro elu karịa nke ndị nọ n'obodo mepere emepe. Nke a gosiri na e nwere obere ndịiche n'akara miin obodo mepere emepe na ndị nọ n'ime obodo. N'ịga n'ihu nchọpụta si na tebulu nke mbụ gosiri na e nwere ezigbo ndịmiche na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ e ji usoro nkuzi mgbakọaka kuzie nakwa ndị e ji usoro ọdịnala kuzie, na mmeri ndị otu mgbakọaka. Nke a pụtarakarịrị ihe ebe ụmụakwụkwọ ndị e ji usoro mgbakọaka gosipụtara mmeta nke ọma karịa ndị e ji usoro nke ọdịnala kuzi. Nke a gbasoro nchọcha Arbab (2003) nke kọwara na o nweghị usoro eguzobere kọwara na mpaghara kacha eme nke ọma karịa ibe ya n'asụsụ Igbo. Nchọpụta ndị a niile gosiri na mmeta nke ọma dabere n'ụdị usoro nkuzi na-eme ka ụmụaka hapụ ichefu ihe a kuziri ọsọsọ, mee ka mmụta dị mfe.

## Mmechi

Usoro nkuzi mgbakọaka dị ire n'ịkwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ịgụpụta asụsụ Igbo. Usoro mgbakọaka na-enyere ụmụakwụkwọ aka isonye n'ihe omume n'etiti ndị otu ha ma nwee ike ichemi echiche, chepụta ọsịsa, itule, na ịchịkọta isiokwu na mmechi. Nke a na-abawanye echiche amamihe ụbụrụ ọmụụ, bụ ihe ndị dị mkpa ga-enyere ya aka ịgụpụta mkpụrụokwu Igbo ma kwalite mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo.

## Aro

Site na nchọpụta nchọcha e mere, ndị nchọcha tụpụtara aro ndị a:

- Ndị nkuzi asụsụ Igbo ga-ebido tinye iji usoro nkuzi mgbakọaka n'ọrụ n'ikuzi ọgụgụ asụsụ Igbo, iji mee ka ọmụụ sonye n'ihe a na-amụ gbasara ịgụpụta ihe n'asụsụ Igbo.
- Mmụọ mgbakọaka bụ nke a ga-abawanye n'ime ọmụụ site n'ime ka osonye otu ndị ọzọ na-arụkọ ọrụ ọnụ. Ime nke a ga-ebelete mmụọ ịzọ ụzọ na ekworo ma kwalite mmụọ ịrụkọ ọrụ ọnụ.
- Ndị nkuzi ga-agba mbọ ihụ na ha nwere ngwaa nkuzi n'uju nke ga-enyere ụmụaka aka inwe mmasị isonye n'ọrụ mgbakọaka nke ọma.

## Nrụtụaka

Abab, S. (2003). Effect of cooperative learning on general science achievement of 9th class students. Unpublished master degree desertation, Rawalpindi PAF College of education for Women.

Argyris,C.(1992) *OrganiztionalLerning*,Cambridge,MA:Blackwell.https://doi.org/10.1177/017084069401500309

Azima A. Yek, U. (2003). The effect of reading writing presentation and group investigation method on students academic achievement in citizenship lesson. *Journal of Education Sciences Research* 2 (2).

Bayraktar, G. (2011). The effect of cooperative learning on students' approach to general gymnastics course and academic achievement. Educational Research and Review, vol. 6 (1). pp. 67-71, http//www.academicjournal.org/article1379665111. Bayraktar pdf.

Campbell D.T, & Stanley J.C (1963) Experimental nd quasi-experimental designs for research. Chicago Rand McNally & Company.

Chineke, S.O. (2013). Mmetụta usoro nkuzi mgbado ụkwụ n'ọrụ ine nnweta n'ule ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ọmụmụ ederede Igbo n'okpuru ọchịchị nsụka na Steti Enugu Naịjiria, Nsukka.

Dyson, B. (2002). "The implementation of cooperative learning in an elementary physical education.

Eze, R.I. (2016). Adịmire usoro nkuzi mkpakọrịta na mmasị ụmụakwụkwọ n'ideta ụtọasụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị, zonu edukeshọnụ Obolo Steti Enugwu Naịjirịa. Amụma Ph.D. Mahadum Naịjirịa Nsukka.

Eze, R.I. na Umo C. (2017). Ụtọasụsụ na Omenala Igbo maka Sekọndịrị Seniọ WAEC na NECO, Merit International Publication. ISBN 978-978-52902-6-4 .

Eze, R.I. na Umo U. (2017). Influence of family upbringing on students' achievement on Igbo language in Nsukka local government area of Enugu State. *International Journal of Students in Education.* Vol. 15. No. 1 Jan. 2017. ISSN: 2636-6339.

Federal Republic of Nigeria (2013). *National policy on education* (mbgh 4) Lagos: NERDC

Gillies. R. (2006). Teachers' and Js 1 students' verbal behavior during cooperative and small group learning. *British Journal of Educational Psychology*. 76(2), 271-287. do.

Gull, F., Shehsads (2015). *Journal of Education and Learning.* Vol. 9(3)

Guine, B. (2007). "Effect of the cooperative learning style on students' congnitive, sensorial and motor skills in P.E. lesson, Gymnastic unit, master degree thesis, Institute of social science, P.E. Teaching Department.

Hannessy, D.& Evans, R. (2008). Small group learning in the community, College classroom, Community College Enterprise, 12(1)93-10.

Johnson (2001) Curriculum Development: Teacher Involvement in Curriculum Development,http://files.eric.ed.gov.fult

Jolife, W. (2007). *Cooperative learning in the classroom* London: Paul Chapman Publishing.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2007*). Azuonye: Lectures on Igbo literature and stylistics*. Nsukka

University of Nigeria Press Ltd

Mangal . A. (2001) Study of relationship between study habits and academic.files.eric.d.gov.

Ministry of Education and Training of Vietman (2009). Development Strategy from 2009 to 2010.

Nguyen, T. & Hariman, G. (2010). Reforming teaching and learning in vietnam's higher education system. Retrieved from http://dụ.doi.org/10-1007/978-90-481-3694-05.

Ohiri, A.C. (2008). Igbo Language in danger. In *Ndigbo journal:* Lagos publishers Ltd, vol. 2, ihu. 10 – 15.

Omeje, M.O. (2008). Effect of communicative language teaching on students' achievement in letter writing. Unpublished Ph.D. thesis University of Nigeria, Nsukka.

Pandey.S.(2008).Impact of working Capital Management in Profitability of ideas/RePEC https://ideas.repecorg.icf.icffe

Post Primary School Management Board, Obolo Afor Zone (2017),

Slavin, R.E. (2011). Instruction based on cooperative learning. In R.E. Mayer & P.A. Alexander (Eds.) *The nature of learning using research to inspire practice*. OLCD publishing.

Slavin, R.(2010). Cooperative learning; what makes group-work work? In Dumount H, Instance D, and Benavidest (eds.) The nature of learning: Using research to inspire practice. OECD publishing.

Siddiqui, B.S. (2003). Collaborative approach to language learning. Karachi.

Parveen, O. (2003). An experimental study on the effects of cooperative learning on social studies achievement.

Umo, U. (2001). Effect of games on the achievement and interest of Junior Secondary Students in Igbo Grammar. Amụma Ph.D. Mahadum Naịjirịa Nsụka.

West African Examination Council – 2018, *Igbo Chief Examiner's Reports,* The West African Senior School Certificate May/June Examination, Lagos: WAEC